# OSIMIRI AHỤ NA OSISI NKE NDỤ AHỤ
## Nkpughe 22:1-21.
### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 467 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ngọzi nādiri ndi nāsa uwe-nwuda-ha, ka ha we nwe ike n'ebe osisi nke ndu ahu di, si kwa n'ọnu-uzọ-ama ahu ba nime obodo ahu" (Nkpughe 22:14)**

**I Otú Ime Jerusalem Ọhụụ ahụ Dị**

1. Mmiri nke Ndụ ahụ na-erupụta site n'Ocheeze ahụ, Nkpughe 22:1; Jenesis 2:10; Abù Ọma 46:4; Ezikiel 47:1.
2. Osisi nke Ndụ ahụ na-eto n'akụkụ ọ bụla nke Osimiri ahụ, Nkpughe 22:2 Jenesis 2:9; Ezikiel 47:12; Nkpughe 2:7.
3. Ọbụbụ ọnụ nke mmehie na abalị adịghị kwa n'obodo ahụ, Nkpughe 22:3-5; 1 Ndị Kọrint 15:26; Nkpughe 21:25.

**II Eziokwu Ebighị ebi nke Okwu Chineke**

1. Aghaghị imezu ihe ndị ahụ egosịrị na mgbe nso, Nkpughe 22:6, 7; 3:11; Matiu 24:27, 44.
2. Jọn kpọrọ isi-ala nye mmụọ ozi ahụ ná-amaghị ama onye bụ́ kwa otù nime ndị amụma ahụ, ewee gwa ya ka ọkpọ isi-ala nye Chineke, Nkpughe 22:8, 9; 19:10.
3. Agaghị akà akwụkwọ a akara n'ihi na oge ahụ dị nso, Nkpughe 22:10, 11; Eklisiastis 11:3; Daniel 12:4.
4. Jisọs kwupụtakwara ọzọ ịdị nso nke ọbịbịa Ya ma kwee kwa mkwà dị iche iche nke ụgwọ-ọlụ nye ndị ahụ ná-erube isi, Nkpughe 22:12-16; Matiu 16:27; Luk 12:37; Jọn 14:2, 3; 2 Timọti 2:12; 1 Pita 5:4; Nkpughe 1:6; 21:4.

**III Ọkpụkpọ Òkù Ikpeazụ**

1. Mmụọ Nsọ na Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụ na-ejikọta ọnụ n'ịkpọ òkù ahụ nye onye ọ bụla nke kwere, Nkpughe 22:17; Luk 12:8; Jọn 4:14; Ọlu Ndị-ozi 10:43.
2. Enyere ịdọ aka-ná-ntị ikpeazụ megide iwepụ ma ọbụ ịtụkwasị ihe n'Okwu ahụ, Nkpughe 22:18, 19; Deuteronomi 4:2; 12:32; Matiu 24:35; 2 Timọti 2:16, 17.
3. Okwu ikpeazụ nke Jisọs, na nzaghachi nke Onyeozi ahu, Nkpughe 22:20, 21; Ndị Hibru 9:28.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Nnyoba Anya Nime Jerusalem Ọhụụ ahụ**

N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke Nkpughe 21, anyị nwere nkọwa dị ntà nke obodo ahụ nke kachasị ebube, nke akpọrọ Obodo Nsọ ahụ, Jerusalem Ọhụụ ahụ. Nke a na-akọwa obodo ahụ n'ile ya anya site n'ezí, otú ọ ra na otú esi wuo ya. N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyị n'ụbọchị taa anyị na-enwe nnyoba anya ntakịrị nke otú ime obodo eluigwe ahụ dị.

N'ezie ọ bụ ihe siri ike nye anyị inwe ezi nghọta nke ihe niile ndị ahụ nke karịrị mnwapụta niile nke oge dị ugbu a ukwu na elu. Mgbe Pọl matara onweya site n'ọhụ ya niile banyere Paradais ahụ na Eluigwe nke atọ ahụ, ọ sịrị na ekwenyeghị ya ikwu ihe ndị ahụ kachasị omimi gafee nghọta nke mmadụ bụ́ nke ọ hụrụ ma nụ kwa. Otú ahụ kwa Jọn onye emere ka ọ hụ ngosi nke ebe obibi ahụ kachasị ebube nke ndị nsọ, agwaghị anyị ihe niile banyere úrù nke mgbe ebighị ebi ya. Ma gbalịa tụgharịa uche banyere ụdị obodo ahụ nke mara mma ile anya ma dị kwa ebube dịka ọ kọwara ya. Gbalịa kwa iji anya nke ime mmụọ hụ ụlọ ọgbakọ ahụ, ma ọ bụ ụlọ ahụ nke ndị isi ọchịchị na-ezukọ nke dị n'isi obodo ahụ. N'obodo a, ọ bụ Ocheeze nke Chineke na Nwa-atụrụ ahụ na-anọkwasị dị n'etiti ya. Ọ dịghị nkọwa dị ukwu enyere maka Ocheeze a, ma ebe amatara na ọ bụ Ocheeze ebighị ebi bụ́ ebe Chineke Nna na Chineke Ọkpara si ná-achị isi ma na-abụ kwa eze ruo mgbe ebighị ebi n'etiti ndị nsọ ahụ ahụrụ n'anya, anyị aghaghị ịmata n'ezie na ịma mma nke Ocheeze a karịrị ihe apụrụ ịkọwa.

**Osimiri nke Ndụ ahụ**

Nke a bụ Ocheeze nke ọtụtụ ngọzi ná-esi na ya asụpụta, n'ihi nke a Jọn hụrụ Osimiri nke Ndụ ka ọ na-asụpụta site na ya. Mkpụrụ-obi nke onye ahụ dere Abù Ọma ga-enweworị nnyoba anya dị ntà nke oge a agọziri agọzi mgbe o dere:

**“Afọ nējubiga ha okè site n’abuba nke ulo-Gi; Ọ bu kwa miri-iyi nke ihe-utọ-Gi nile ka I nēme ka ha ñua” (Abù ọma 36:8).**

**“Otù osimiri di, miri-iyi-ya nile nēme ka obodo Chineke ñuria ọñu, bu ebe nsọ nke ebe-obibi nile nke Onye kachasi ihe nile elu.**

**“Chineke nọ n’etiti ya; agagh-ewezuga ya n’ọnọdu-ya: Chineke gēyere ya aka mgbe chi bọrọ” (Abù Ọma 46:4, 5).**

Edepụtara ya nkeọma n’ebe ọgụgụ anyị na ọ dịghị osimiri ga-adị ọzọ nime òkìkè ọhụụ ahụ. Osimiri niile nke ụwa na-eruba nime óké osimiri ma ọ bụ nnukwu óké osimiri, ma n’ebe a anyị na-ahụ kwa otù nime ọtụtụ ihe omimi nke obodo eluigwe a: agwaghị anyị ebe osimiri ahụ na-asụba ma ọ na-erù ná-aga n’iru n’ịdị ọcha ya nke ná-enye ndụ ruo mgbe niile ebighị ebi.

**Osisi nke Ndụ ahụ**

Ọ dị ka aga asị na osimiri a nke dị ọcha ma dị kwa ka ènyò kewara otù ama dị ukwu, nke á na-egosighị ọ̀tụ̀tụ̀ ya. N’akụkụ ọ bụla nke osimiri a ka enwere osisi a dị ebube nke ná-ámị ụzọ mkpụrụ iri na abụọ ná-enye kwa mkpụrụ ya n’ọnwa ọ bụla, akwụkwọ ya bụ kwa ihe ime ka arụ dị mba niile ike.

Eleghị anya anyị na-atụle ma ndị nsọ ahụ eyikwasịworo arụ ebube ha na-eri nri nime Obodo Nsọ a: na ihe mere o ji dị mkpà inwe ọgwụgwọ nye mba niile. Nke mbụ anyị pụrụ ikwu na Onyenweanyị Jisọs Onweya na-atụ aka ọtụtụ ugbò banyere iri na ịñụ ihe ọñụñụ n’Alaeze nke Otuto ahụ. N’otù aka ahụ kwa Onye Nzọpụta anyị mgbe mbilite n’ọnwụ Ya ahụ dị ebube gasịrị, O riri nri. Otù nime isiokwu kachasị ebube nke ekwuru ihe banyere ya ná Nkpughe maka ọdịn’iru bụ Nri Anyasị Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ. Ihe nke a na-apụta n’ezie bụ na aga na-eri ihe n’obodo ebighị ebi a. Mkpụrụ ahụ nke Osisi nke Ndụ ahụ na-amịpụta n’ọnwa n’ọnwa ka anyị pụrụ ịkpọ osisi “ndụ”, nke karịrị n’ezie ọbụná nri nke ndị mmụọ ozi ahụ bụ́ nke Ụmụ Israel riri.

N’ihe banyere urù nke ọgwụgwọ nke ná-esite n’akwụkwọ nke osisi a, ihe ọ pụtara abụghị na mba niile jupụtara n’ọrịa na ihe mgbu, n’ihi na ihe ikpeazụ ahụ nke fọdụrụ n’ọbụbụ ọnụ nke wetara ọrịa nime ụwa agabigawo. Kama ihe ọ pụtara bụ nchezi nke arụ-ike na ojuju afọ, ọbụghị na ọ dị ọrịa nke ga-adị n’oge ahụ nke á ga-agwọ.

**Okwu Mmechi**

Na nke ugbò atọ ya n’Akwụkwọ Nkpughe, ekwuru ya ọzọ na ihe ndịa egosịrị “kwesiri ntukwasi-obi buru kwa ezi-okwu” (Nkpughe 19:9; 21:5; 22:6). Ná mmeghe nke Akwụkwọ a, ekwupụtara ihe mere eji dee ya: “Igosi ndi-orù-Ya, bú ihe nāghagh iputa n’isi nso; O we site n’aka mọ-ozi Ya ziga we gosi Jon orù-Ya” (Nkpughe 1:1). N’ebe a ná mmechi ekwugharịrị ya ọzọ na “Onye-nwe-ayi bú Chineke nke mọ nke ndị-amuma, zite-kwa-ra-mọ-ozi-Ya igosi ndi-orù-Ya ihe nile nāghagh ipụta na mgbe ntà” (Nkpughe 22:6). Jisọs Onweya na-eme ka nke a guzosie ike n’amaokwu nke 16 site n’ikwu: “Mu onwem, bu Jisus zitere mọ-ozi m iwere ihe ndia gbara unu àmà nye nzukọ m nile.” N’ụzọ dị otú a ọ bụ onye ahụ ikike niile kachasị ukwu dị n’aka Ya ná-akwagide ozi ahụ eziri Jọn Onyeozi. N’otù aka ahụ kwa ná mmalite nke Akwụkwọ a nke Nkpughe ọ dị mkwà nke ngọzi ekwere nye onye ahụ nke “nāgu, na ndi nānu okwu nile nke amuma nka, ndi nēdebe kwa ihe nile edeworo nime ya” (Nkpughe 1:3). Ugbu a kwa ná mmechi anyị na-anụ olu nke Onyenweanyị Onweya site n’Ocheeze ahụ nke dị n’Eluigwe ka Ọ na-ekwu sị: “Ngọzi nādiri onye nēdebe okwu nile nke amuma nke akwụkwọ a” (Nkpughe 22:7). Ihe ndịa niile so nime ndụmọdụ ahụ enyere ugbo asaa sị, “onye nwere ntị ya nu ihe Mọ Nsọ nāgwa nzukọ Kraist”.

Ná mmechi nke Akwụkwọ a, nke bụ́ nchịkọta nke Okwu Nsọ Chineke, ka enwere okwu ịdọ aka-ná-ntị ndị ekwuworo ọtụtụ ugbo: Le, anamabia ọsọsọ,” “Oge ahụ dị nso,” “Onye ahu nke nāgba àmà ndia nāsi, E: anamabia ọsọsọ.” O, Lee ịhụn’anya, ebere, na ịdịmma ebighi ebi nke Onye Nzọpụta anyị iwetara anyị nzọpụta n’ụdị ọnụahịa dị otú a nke na-enweghị ọ̀tụ̀tụ̀, iji kwe ka anyị nwee nnyoba anya ntà n’otuto ahụ nke na-echere, na kwa ịdọ ụwa aka-na-ntị na inye ha ndụmọdụ iji jikere, n’ihi na oge ahụ dị nso!

Ihe dị óké omimi ka mkpughe niile ahụ bụ, ihe dị kwa óké ebube ka amamihe na nghọta nke mmụọ ozi ahụ nke ná-egosi ya ihe ndịa niile bụ, nke mere na Jọn jupụtara nime mmụọ nke òfùfè wee daa n’ala ugbò abụọ n’ụkwụ mmụọ ozi ahụ ịkpọ isi-ala nye ya. Mmụọ ozi ahụ gbochiri ya ngwa ngwa ná-ekwu: “Abum orù ibe-gi, buru kwa orù-ibe nke umu-nna-gi, bú ndi amuma; … kpọ isi ala nye Chineke” (Nkpughe 19:10; 22:9). N’ụzọ dị otú a anyị na-ahụ na ọ ga-abụ ihe na-ezighị ezi ifè onye nsọ ma ọ bụ mmụọ ozi ọ bụla òfùfè, n’ihi na ọ bụ náánị Chineke kwesịrị inwe nsọpụrụ dị otú a.

Agaghị akachita okwu niile nke akwụkwọ a akàrà ma ọ bụ zobe ha, ihe ọ ga-eji dị otú a bụ, "Oge ahu di nso" N'ụzọ ọzọ, ekwesịrị ime ihe niile enwere ike iji gbasaa Oziọma, eziokwu niile ahụ, na ikpé niile nke Chineke nke gaje ịbịa. N'ezie ọ dị oge nke ná-abịa mgbe ọnọdụ nke ime mmụọ nke onye ọ bụla nọ ga-abụ ihe akachitara akàrà nke ga-adịgide: onye bụ onye ajọomume ga-anọgide n'ịbụ onye ajọomume ruo mgbe ebighị ebi, onye nke bu kwa onye eziomume ga-anọgide n'ịbụ onye eziomume ruo mgbe ebighị ebi. Á na-enwe mgbe ọ bụla ihe abụọ nke Okwu ahụ dị nsọ nke á na-ekwusa na-alụpụta. Ọ dị ndụ ná-alụsị kwa ọlụ ike, ọ dịghị kwa arapụ ụmụ mmadụ n'ọnọdụ ahụ nke ọ chọtara ha. Ọ na-eme ka ha dị mma karịa ma ọ bụ ka ha jọkarịa njọ. Ọ bụrụ na o meghi ka mmadụ nwere onweya, o mee ka ọ nọọ n'amamikpe karịa. Ọ bụrụ na o meghị ka obi dị nrò ruo nchègharị, o mee ya ka o sie ike ime ihe ọjọọ. Ọ bụrụ na ọ bụghị ísìsì ụtọ nke isite ná ndụ baa na ndụ, ọ bụrụ isite n'ọnwụ baa n'ọnwụ.

**Ọkpụkpọ Òkù Ikpeazụ ahụ**

Ebe amatara na oge ọgwụgwụ nke ihe niile dị nso na ụdị ihe ebube dị otú a nke gaje ime na-echere ndị ahụ bụ́ ndị ná-ejikere, Nwanyị ahụ ana alụ ọhụụ nke Kraist ná-esoro Mmụọ nke Chineke n'ịgbasa òkù ahụ dị ebube. Ọ bụrụworị ọlụ nke Mmụọ Nsọ ịchọta Nwanyị ana-alụ ọhụụ nye Nwa-atụrụ nke Chineke, dịka ọ dịkwaara orù nke Abraham ịchọta nwanyị ana alụ ọhụụ nye ọkpara Abraham, bụ́ Aisak. N'ụbọchi taa Nwanyị ahụ ana-alụ ọhụụ nke Kraist nọ ná njikere ya. Oge na-abịa mgbe ọ ga-abụ na "nwunye-Ya edoziwo kwa onwe-ya." Ma ugbu a mkpà nke Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ abụghị náání ijikere onweya, kama ịhụ kwa na ndịọzọ bụ ndị aga agụkọta imezu Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ nke Kraist n'òzùzù òkè ka oge ahụ wee bịa ọsọsọ. Ọchịchọ nke Mmụọ Nsọ na Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ abụghị náání ịhụ mmezu nke oge a, kama ha na-ejikọta aka ọnụ n'ịgbasa òkù ahụ nye "onye nāchọ." Ịkpọ òkù ahụ nye onye ahụ nke akpịrị na-akpọ nkụ bụ "Bia …. nara miri nke ndu ahu n'efu." Arọpụtasịwo ihe niile dị mkpà nye mkpụrụobi ọ bụla bụ́ nke apụrụ iji zọpụta ya; ma mmadụ bụ onye nweere onweya ịrọrọ ihe ọ na-achọ, ọ ghaghị kwa itinye ike nke nrọrọ ya na mmasị ya n'ọlụ iji wee za òkù ahụ. N'ezie Chineke emewo akụkụ nke Ya. Arọpụtasịwo ihe ahụ dị mkpà. Akpọwo kwa òkù ahụ. Onye ahụ nke ná-achọ pụrụ ịbịa wee ṅụọ Mmiri nke Ndụ ahụ n'efu.

**Ịdọ Aka-ná-ntí Ikpeazụ**

Site n'ọkpụkpọ òkù a anyị na-aga nwayọọ wee ruo n'okwu ikpeazụ nke Onyenweanyị na Onye Nzọpụta anyị nke dị nime Akwụkwọ Nsọ Ya. Okwu nke ịdọ aka-ná-ntị ikpeazụ ka enyere megide ịgbanwe Okwu ahụ na ozi ahụ nke O ziteworo nye mmadụ. Imebi Okwu Chineke a dị nsọ site n'iwepụsị ihe nime ya, bụ́ nke na-atụzi aka n'ụzọ esi eru ndụ ebighị ebi, bụ ịtụfu nzọpụta na urù ya niile nke ná-adị ebighị ebi.

Otù ugbò ọzọ, nke bụ kwa nke ikpeazụ, ka ozi ahụ na-abịa kwa, "E: anamābia ọsọsọ. Amen." N'òzízá dị ngwa ngwa nke sitere n'obi nye okwu a, Onyeozi ahụ bụ́ Jọn na-eti mkpu nke dị ka o si n'obi nke Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ pụta sị "Bia. Onye-nwe-ayi Jisus." Ndị Kraist niile na-echere ná-enwe kwa agụụ maka mpụta ìhè ahụ dị ebube nke Onyenweanyị Jisọs Kraist, ọ dịghị kwa mkwà ọ bụla dị ukwu nime Okwu Chineke niile karịa okwu ikpeazụ ndịa nke Jisọs gwara ndị nke Ya. Ọ bụrụ na ihe niile ekèrè èkè na-asụkọ udè n'otù, ime na-emekọ kwa ha n'ihe mgbu banyere mkpughe nke ụmụ Chineke, lee otú agụụ nke ndị ahụ bụ́ ụmụ Chineke n'onweha ga-adị maka ụbọchị ahụ mgbe ha ga-enweta ihe nketa ha ma hụ kwa Onye Nzọpụta ha agọziri agọzi iru na iru.

Ị pụrụ ikwu na ị na-ele anya n'ezie ma ná-enwe kwa agụụ maka ọbịbịa ahụ dị ebube nke Jisọs Kraist? Ì nwere ọ̀zízá ahụ dị ngwa ngwa nke ná-esite n'obi site nime ala ala obi gị, "Bia, Onye-nwe-ayi Jisus"? Ọ bụ ọchịchọ siri ike ná-ekpere ewepụghị aka nke ndị ngalaba Ụlọ akwụkwọ Ụbọchị Ụkọ, na kwa nke ndị Apọstọlic Faith dịka òtù nke ndị kwere ekwe, ka gị onwe gi sonye nime ndị bụ Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ nke Kraist ịṅụrị ọṅụ ruo mgbe niile ebighị ebi nime ngọzi niile ahụ na-adị ebighị ebi nke anyị na-amụ ihe banyere ha.

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Kọwaa ime nke Jerusalem Ọhụụ ahụ dịka Jọn siri hụ ya.
2. N'ụzọ dị añaa ka Osimiri nke Ndụ ahụ si dị iche n'ebe osimiri nke ụwa dị?
3. Gịnị bụ ihe mere ka Osisi nke ndụ ahụ dị iche n'ebe osisi ọ bụla nke ụwa dị?
4. Òlee okwu ịdọ aka-ná-ntị nke ekwuru ọtụtụ ugbò n'isi ebe ọgụgụ a?
5. Ọ̀ bụ onye ka ọkpụkpọ òkù nke ikpeazụ ahụ dịrị? Ònye ka esitere n'aka ya akpọ ya?
6. Òlee ịdọ aka-ná-ntị adọrọ banyere ịgbanwe Okwu Chineke?
7. Gịnị bụ nzaghachi ahụ sitere n'obi nke Onyeozi ahụ n'okwu ikpeazụ ahụ nke Jisọs?